IDEAL INTERNATIONAL JOURNAL of IGBO SCHOLARS FORUM, NIGERIA Volume 16, No. 1, March, 2023 ISSN: 2476-8421

# Nnyocha Omenaala Igbo a na-akụziri Ụmụ Akwụkwọ Siniọ Sekọndịrị Tupu E nwee Nzuruụwa.

Si n'aka

**Dr Mrs Charity Ijeoma Ogbu**
Department of Arts Education,
University of Nigeria,
Nsukka
charity.ogbu@unn.edu.ng
08067638507

Na

**Prof. Uju C. Umo**
Department of Arts Education,
University of Nigeria,
Nsukka
Chiege.umo@unn.edu,ng
08038948577

## Ụmịedemede

Nchọcha a lebara anya n'omenaala Igbo a na-akụziri ụmụ akwụkwọ siniọ sekọndịrị tupu e nwee nzuruụwa. Ebumnobi nchọcha a bụ ịchọpụta omenaala Igbo dị iche iche dịka nkwenye ndị Igbo, asụsụ Igbo, echichi, agụmagụ ọdịnaala, ewumewu, alụmalụ, ekpemekpe, ọrụ nkanaụzụ, ekike, nri, na amamiihe ọdịnaala Igbo a na-akụziri ụmụ akwụkwọ siniọ sekọndịrị tupu e nwee nzuruụwa. Otu ajụjụ nchọcha ka e ji mee nchọcha a. Usoro nkọwa sọvee ka a gbasoro wee mee nchọcha a. Ndị e ji mee nchọcha bụ ụlọakwụkwọ sekọndịrị niile gọvmenti nwe na mpaghara Ndịda Ọwụwa Anyanwụ Naịjirịa. Usoro nhọrọ igwe ka a gbasoro wee họpụta ndị e jiri

mee nchọcha a maka ihe agbamonwe jenda na mpaghara ụlọakwụkwọ dị. Usoro nhọrọ ebumnobi ka e ji họpụta steeti atọ e jiri mee nchọcha. Onye nchọcha gbasoro usoro nhọnanha wee họpụta ụlọakwụkwọ dị 246 na ndị nkuzi dị 246 zara njụmaza. Ndị e jiri mee nchọcha bụ ndị isi nkuzi Igbo. Ngwa nchọcha e jiri mee nchọcha gụnyere njụmaza isiokwu ya bụ Ajụjụ Gbasara Nzụrụ Ụwa na Nkụzi na Ọmụmụ Omenaala Igbo (AGNNỌOI). Ihe e nwetara maka adịmụmma ngwa bụ 0.86. N'ịhazi ihe a chọpụtara, a gbasoro usoro ntụcha Miin na ndịpụ n'izugbe wee zaa ajụjụ nchọcha ma were nnwale-t (t-test) wee nweta ọsịsa ụmaokwu nchọcha e hibere n'akara ntụ 0.05. Ihe a chọpụtara na nchọcha a gosiri na e nwere ọtụtụ omenaala a na-akụziri ụmụaka site n'agụm akwụkwọ ọdịnaala tupu e nwee nzuruụwa. Site n'ihe a chọpụtara n'elu, onye nchọcha tụrụ alo mkpa ọ dị ịhazịrị ndị nkuzi wọkshọp ịmata mkpa ọ dị inyefe omenaala Igbo n'aka ụmụ akwụkwọ dịka o si dị ire n'oge agụm akwụkwọ ọdịnaala.

**Ọkpụrụkpụ okwu:** Nzuruụwa, Mmetụta Nzuruụwa, Omenaala, Omenaala Igbo, Agụm akwụkwọ ọdnaala.

## Mkpọlite

Nzuruụwa bụ usoro e guzobere nwegoro ọnọdụ n'ebe ụzọ ebimndụ mmadụ dị iche iche dị, tụmadị ka o si gbasata ọnọdụ agụm akwụkwọ na omenaala. Mkpụrụokwu a bụ nzuruụwa bụ nke Feder (2014) kọwara na ngalaba dị iche iche kọwara ya etu o si gbasata ha. Ogoko (2015) hụtara nzuruụwa dịka ụzọ e guzobere iji kwalite ọnọdụ na mmekọrịta mmadụ na ibe ya na mba ụwa na - enweghị ihe mmetụta dị njọ. Iloba (2015) kọwara na nzuruụwa bụ ụdọ e ji jikọta mpaghara ụwa niile ọnụ bụ nke na-egosi ka obodo dị n'ụzọ ebimndụ ha niile na ụdị mgbanwe dị na ya site na ngwa nkanaụzụ dị iche iche dịka igwe onyonyo, igwe redio, igwe kọmpụta tinyere ọwa nzikọrịta ozi. Dika o si gbasata ndị Igbo na omenaala ha, Ofodile (2017) kewara nkọwa nzuruụwa agba atọ. Agba nke mbụ bụ nke ọ kpọrọ oge azụmahịa n'ala Igbo. Nke a pụtara

mgbe ndị Igbo na mba ụwa ndị ọzọ bidoro inwe mmekọrịta site n'azụmahịa ogologo njem, ebe ha na-agbanweta ngwa ahịa. Agba nke abụọ bụ bụ oge e guzobere mwube ọchịchị mbịara Chia. Ofodile (2017) kọwara n'oge a ndị ọcha mere ka ọ bụrụ iwu na ndị Afrịka niile ga-agbaso omenaala dịka ekpemekpe na agụm akwụkwọ ha.

Agba nzuruụwa nke atọ, bụ oge ngwa nkanụụzụ zuru mba ụwa niile ọnụ. N'ihi nke a, a hụtara nzuruụwa ka ụzọ dị mfe e si emekọrịta mana egosi ihe onye, otu ma ọ bụ obodo ji kwụrụ tụmadị ka o si gbasata omenaala maka ndị ọzọ isite na ya wee hazie ebe ha riri mperi, ma kwụdosie ike na ya maka nchekwaba omenaala (Ugbor, & Dioka, 2019). Ka o sila dị, ihe nchọcha a lebara anya kpọm kwem bụ ịchọpụta mmetụta nzuruụwa nwere n'ebe omenaala Igbo a na-akụziri ụmụ akwụkwọ dị.

Omenaala ka ndị ọka mmụta ụfọdụ kọwara n'ụzọ dị iche iche. Ihe dị mkpa ịmata bụ na nkọwa omenaala niile gbadoro ụkwụ n' ụzọ jikọtara ebimndụ mmadụ ọnụ maka ịhazi ọnọdụ ha. N'ịga n'ihu na nkọwa omenaala, Abel (2015) kọwara omenaala dịka njikọta agwa mmadụ nwetara site na gburugburu ya. Obi (2017) gara n'ihu kọwaa na omenaala bụ ọdịnaala nke agbụrụ bụ nke e ji ama ndị. Omenaala gụnyere ihe niile mmadụ na-eme, bụkwa nke a na-amụ amụ ma na-enyefekwa site n'aka fere aka. Okonkwo (2015) kọwara omenaala dịka ọnatara nke agbụrụ. Ihe nkọwa a na-egosi bụ na omenaala bụ ụzọ ebimudụ a mụnyere mmadụ n'ime ya bụ nke o nweghị ikikere ịjụ ma ọ bụ ịkpochapụ. Okonkwo gara n'ihu kọwaa na omenaala bụ ọdịnaala na-ezipụta ihe obodo ọ bụla tụrụ anya, ihe ha na-anabata, iwu na-agbazi ụzọ mmekọrịta ha na agwa ha, tinyere ihe ndị ha na-asọ nsọ. Iwu ndị a bụ nke obodo na-agbado anya ịhụ na onye ọ bụla dobere ya nke ọma, ma ọ dị onye nupuru isi, o nwee ntaramaahụhụ dịrị ya. Na nkwado nkọwa a, ka Obi (2015) ji hụta omenaala

dịka iwu na-agbaziri obodo ọ bụla usoro nzọmụkwụ ha. Nke a gosiri na agbụrụ dị iche iche nwere omenaala dịkwazị iche iche tụmadị ndị Igbo.

Ndị Igbo bụ ndị bi na Ndịda Ọwụwa Anyanwụ Naịjirịa, na – asụ asụsụ Igbo. Asụsụ Igbo a so na mpaghara nke "KWA" sitere Niger Congo (Ekewo, 2012). Ekewo gara n'ihu kọwaa na ndị Igbo nwere olundị dị iche iche. E nwere steeti ise pụtara ihe na-asụ asụsụ Igbo na Naịjirịa, ma bụrụ nke gụnyere A bịa, Anambra, Ebonyi, Enugu, na Imo. A na-ahụkwa ndị na-asụ asụsụ Igbo na mpaghara steeti Delta na River. Nsiripu ndị Igbo bụ ihe na-edochaghị anya, n'ihi ya e nwere atụtụ dị iche iche kọwara nke a (Okeke, 2020). E nwere atụtụ kọwara na ndị Igbo sitere na mpaghara Israel ma nke a bụ maka na ọtụtụ omenaala ha na nke ndị Israel yitere. Atụtụ nke abụọ kọwara na ndị Igbo sitere na mgbago ugwu, nke a bụ maka na e nwere ngwogwo agba ochie dị iche iche ndị Igbo a hụgasịrị na mgbago ugwu dịka "Ite Igbo ukwu" na ihe ndị ọzọ. Atụtụ nke atọ bụ nke kọwara na ndị Igbo sitere na Nri. Atụtụ nke a gbadoro ụkwụ n'Eri bụ nna Nri, bụ onye nke si n'igwe daa nweta onwe ya n'ala Nri ebe ọ nọ mụbata ndị Igbo. Atụtụ nke atọ a, ka a ka wee nabata n'ihi nkwenye ndị Igbo nwere n'ala Nri.

Ndị Igbo a bụ nke e kewara na mpaghara gụnyere:

- Mpaghara Ugwu
- Mpaghara Ndị da
- Mpaghara Ọwụwa Anyanwụ
  Mpaghara Ọdịda Anyanwụ

Ndị Igbo bụ ndị a maara ka ndị na-agba mbọ nke ọma, n'ihi nke a, ma ndị bi n'obodo mepere emepe ma ndị bi n'ime ime obodo nwechara aka ọrụ dịka ndị ọrụ nka, ọrụ ugbo na ndị na-azụ ahịa. Ugbor (2012) kọwara na ndị Igbo a nwere omenaala dị iche iche ha ji anya isi, dịka asụsụ ha, agụmagụ

ọnụ, ọrụ nka, ekike, nri, egwu, alụmalụ, enwemenwe, ekpemekpe, abamaba, usoro ọchịchị, echichi, ekele, akwamozu, amamihe ọdịnaala, ụzọ akụnụba (azụmụahịa), ọrụ nwoke na nwaanyị, igụ afọ, ịzu ahịa, ịgụ aha, ọnọdụ ọjị n'ala Igbo, tinyere ụzọ nzịrịta ozi. Omenaala Igbo ndị a ka a na-esite n'agụm akwụkwọ ọdịnaala enyefe ya site n'aka fere aka, ịhụ na e chekwabara ya. Eric (2017) kọwara na agamnihu na nkwalite omenaala agbụrụ ọ bụla gbadoro ụkwụ n'etu ndị obodo ahụ si amụta ma na-enyefekwa ihe gbasara omenaala ha n'aka ndị ntorobịa. Inyefe omenaala Igbo a bụ nke na-ebido n'ụlọ ruo n'ụlọakwụkwọ. Ọ bụ site n'ezinaụlọ, ndị otu ọgbọ, ụmụnna, na ụmụọkpụ ka e si ebido inyefe ya bụ omenaala site n'agụm akwụkwọ ọdịnaala ganye na nwata ebido akwụkwọ ebe ndị nkuzi ga-amalite wee na-akụziwanyere ha omenaala.

Agụm akwụkwọ ọdịnaala bụ agụm akwụkwọ a na-ahazighị ahazi e si enyefe omenaala n'aka ndị na-eto eto. A hazighị ya ahazi n'ihi na ọ na-aga n'ihu ebe ọ bụla nakwa mgbe ọ bụla site n'aka nne na nna, ụmụnne, ndị otu ọgbọ, ụmụnna, ụmụọkpụ n akwa ọha obodo. Nwadike (2002) kọwara na agụm akwụkwọ ọdịnaala a bụ nke na-aga n'ihu oge ọ bụla n'ebe ọ bụla dịka n' ezinaụlọ, ebe a na-egwuegwu, n'ime ugbo, n'ime ahịa, n'ụzọ e si aga mmiri, n'ebe a na-esi nri ma ọ bụ ericha nri abalị. N'ihi otu na ọnọdụ agụm akwụkwọ ọdịnaala a si aga, ọ bụ naanị ebe e chekwabara omenaala nke ọma, ka nwata ga-anata ụdị nkụzi na ọmụmụ a. Inyefe agụm akwụkwọ ọdịnaala a na-eme ka nwata ọ bụla nwee ndụ jụpụtara n'ime ya ma bido na nwata na-arụ ọrụ dịrị ya n'obodo. O nweghị amamiihe ọ bụla na-agbanarị ya n'ebe ụzọ ebimndụ ndị Igbo dị.

N'ịga n'ihu na nkọwa omenaala Igbo na uru ọ bara, ka Eric (2017) ji zipụta omenaala ndị a na-enyefe n'aka ndị na-etolite etolite site n'agụm akwụkwọ ọdịnaala. Eric kwenyere na omenaala Igbo nke a na-esite n'agụm akwụkwọ ọdịnaala

enyefe gụnyere agụmagụ, echichi, nkwenye ndị Igbo, usoro ọchịchị, alụmalụ, abamaba, mmemme/emume, nsọala, arụsị na ofufe chi/ekpemekpe, enwemenwe, ewumewu na amamiihe ọdịnaala. Agụmagụ ndị Igbo gụnyere akụkọ okike, akọndịiche, egwuregwu, akụkọ ifo, ụkabuilu, agwụgwa, egwu ọnwa, ukwe na abụ. Akụkọ ifo dị ka otu ihe ọmụmụ n'ime agụmagụ, bụ nke na-aba nnukwu uru na ndụ ndị Igbo. Ọ bụ site na ya ka e si amụta ihe gbasara irube isi, ịdị uchu n'ọrụ, ikwu eziokwu na ịnwe umeala.

Agụmagụ Igbo a bụ nke ji asụsụ kwara ngwa ọrụ. Asụsụ nka na – apụta ihe nke ọma na ya, ma nke a gụnyere ilu, akpala okwu, mmemmadụ, mbụrụ, myiri na nsinaụda. Ụfọdụ nkwenye ndị Igbo gụnyere ọjị, ịgba ndụ/ ọrịkọ, ịkwọ aka ụtụtụ, ịñụ iyi, ọgbanje, ịlọ ụwa, akara ogoli, ọmụgwọ, ibe ugwu, ikupụta nwa, ịgụ aha, ịzụ ahịa nwa, ịhụ eze na ụzọ nzikọrịta ozi. Ụfọdụ echichi ndị Igbo gụnyere Nze, ọzọ. Eze/Obi, Lọọlọ, Iyọm na Ezeji. Ụfọdụ abamaba ndị Igbo gụnyere Mmọnwụ, Ọkọnkọ, Ekpe, Ọmaba, Odo, Dibịa,

Ọgbọ/uke/ebiri. Ụfọdụ mmemme/emume ndị Igbo gụnyere ọfala, ịbọ ụzọ, iru mgbede, ịwa akwa, akwamozu, ịgba mkpe, ịgụ afọ, mbarị. Ụfọdụ nsọala ndị Igbo gụnyere igbu mmadụ, mmadụ ịlụ nwanne ya ma ọ bụ nwa ya, ịgba n'ezi/ ịwa ọkpa. Ụfọdụ enwemenwe gụnyere ala, akụnaụba, nkwụ na ụkwa. Ụfọdụ ọchịchị ọdịnaala gụnyere ọchịchị amaala/ ọha obodo, ndị eze, ichie, ụmụọkpụ, ebiri/ ọgbọ. Ụfọdụ ewumewu Igbo gụnyere ekele, ịnabata ọbịa, ịtụ ahịa, ịwa ọji na ịgọ ọfọ. N'ekpemekpe ndị Igbo, e nwere arụsị dị iche iche ndị Igbo na-akpọku, bụ nke gụnyere Ikenga, Chi Ogwugwu, Ahịaji ọkụ, Agwụ, Amadị ọha, Kamalụ, Agbala, Ibini Ụkpabi, Ojukwu, Igwekaala, Ọfọ, Ọtọnsị na Okpesi (Chike, 2016).

Amamiihe ọdịnaala bụ ihe ọkpụ dị iche iche ndị Igbo ji enyere ndụ ha aka, gụnyere mgbọrọgwụ na mkpa akwụkwọ, ọrụ nka na ọrụ aka dị iche iche dịka ịkpụ ụzụ, ịkpa akwa na aka, ịkpụ

ite, uri,uhie, uri aja. Amamiihe ọdịnaala gụnyekwara ọrụ ugbo, nri ndị Igbo dị iche iche, ụzọ e si echekwa nri nakwa ite nkwụ. Omenaala Igbo bụ nke a na-akụzi bido n'ụlọakwụkwọ ọtaakara, praịmarị, sekọndịrị, koleji nke Edukeshọn wee ruo n'ogo mahadum. Nke a bụ iji hụ na onye ọ bụla bụ onye Igbo nwetara ezi ntọala na usoro ga-enyere ya aka ịnata ntọala ebimndụ niile, ichepụta ezi echiche, tinyere inweta nka na amamiihe ga-enyere onye ahụ aka n'ibi ezi ndụ dịka nwafọ Igbo. N'ihi uru omenaala Igbo bara na ndụ ndị Igbo, ọ bụ ihe dị mkpa, na nkụzi asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị ga-agbado ụkwụ n'omenaala ndị Igbo. Ihe niile ndị a dị n'elu bụ ihe onye nkụzi omenaala ga-amata ma jisieike n' izipụta ya nye ụmụaka n'ụlọakwụkwọ maka ichekwaba na ịkwụdosike na ya na-agbanyeghị ọnọdụ nzuruụwa ma ọ bụ ihe ndị ọzọ. Ka o sila dị, onye nchọcha lebara anya ịmata omenaala Igbo a na akuziri ụmụ akwụkwọ tupu e nwee nzuruụwa.

**Nsogbu Nchọcha**

Nzuruụwa bụ usoro e guzobere nwegoro ọnọdụ n'ebe ụzọ ebimndụ mmadụ dị iche iche dị, tụmadị ka o si gbasata ọnọdụ agụm akwụkwọ na omenaala. N'ihi nke a, a hụtara nzuruụwa ka ụzọ dị mfe e si emekọrịta mana egosi ihe onye, otu ma ọ bụ obodo ji kwụrụ tụmadị ka o si gbasata omenaala maka ndị ọzọ isite na ya wee hazie ebe ha riri mperi, ma kwụdosie ike na ya maka nchekwaba omenaala. Nke a mere na a tụrụ anya na ndị Igbo ga-esite na ya wee kwalite amamiihe, nka na omenaala ha niile tụmadị ebe a na-eme nkuzi na ọmụmụ omenaala n'ụlọakwụkwọ, maka inweta ezi ntọala ndụ ndị Igbo kwesiri, ịchekwaba omenaala Igbo nakwa imeta nke ọma n'ule omenaala n'ụlọakwụkwọ siniọ sekọndịrị.

Ka o sila dị, nkụzi na ọmụmụ omenaala Igbo bụ ihe na-edoghị anya ma ọ dị ire, n'ihi na ihe a na-ahụ n'ala Igbo ugbu a agbadoghịzị ụkwụ n'omenaala Igbo e guzobere n'oge gboo. Nke a pụtara ihe n'emetaghị nke ọma ụmụ akwụkwọ n'ule omenaala Igbo. Ndị ụlọọrụ WAEC (2017 – 2019) kọwara na

ihe e ji guzobe nkụzi omenaala Igbo bụ ịhụ na ụmụ akwụkwọ nwetara ezi ntọala na ya ma ihe a na-ahụta bụ ihe jọrọ njọ. Onye isi WAEC kọwara na ọsịsa ụmụ akwụkwọ na-enye n'ule omenaala Igbo edoghịzi anya ma omenaala Igbo anọ n' ọnọdụ nchekwaba, ka ọ bụ mkpochapụ. Onye isi WAEC gara n'ihu kọwaa na ọsịsa ụfọdụ ụmụ akwụkwọ na-enye n'ajụjụ a jụrụ ha, dịka ndị na-amaghị ihe gbasara omenaala Igbo, ebe ụfọdụ ji omenaala ndị mba ọzọ dị iche iche na-aza ajụjụ a jụrụ.

Ihe ọzọ bụ na onye nchọcha chọpụtara na ndị na-eto eto anaghị akpa agwa ka ndị nwetara ntọala n'omenaala Igbo, ma nke a pụtara ihe n'iji asụsụ bekee hiri isi, ịgba ọtọ n'ụdị ekike ọgbara ọhụrụ, tụmadị ụmụ agbọghọ, amaghị esi nri, enweghị ugwu na nsọpụrụ na agwa ndị ọzọ dị njọ. Site na agwa ndị a dị njọ a na-ahụta ndị na-eto eto na-akpa tinyere emetaghị nke ọma ụmụ akwụkwọ n'ule omenaala Igbo, e nwere ike ịkọwa na o dochaghị anya ma ọ bụ mmetụta sitere n'ịhụta omenaala ndị mba ọzọ na-ebute nke a. Odoghị anya etu mmekọrịta a sitere na nzuruụwa si emetụta omenaala Igbo a na-akụziri ụmụ akwụkwọ. N'ihi nke a, ka onye nchọcha ji lebaa anya n' omenaala Igbo a na-akụziri ụmụ akwụkwọ siniọ sekọndịrị na Ndịda Ọwụwa Anyanwụ Naịjịrịa tupu e nwee nzuruwa.

## Mbunuche Nchọcha

Mbunuche izugbe nchọcha a bụ ịchọpụta mmetụta nzuruụwa n'ebe nkụzi na ọmụmụ omenaala Igbo dị n'ụlọakwụkwọ siniọ sekọndịrị dị na Ndịda Ọwụwa Anyanwụ Naịjịrịa. Nchọcha a lebazịrị anya n'ihe a:

1. ịchọpụta omenaala Igbo a na-akụziri ụmụ akwụkwọ siniọ sekọndịrị tupu e nwee nzuruụwa.

| Ọnụọgụ | Ihe e depụtara maka nchọcha | Ndị Nkuzi | |
|---|---|---|---|

| | Omenaala Igbo a na-akụziri ụmụ akwụkwọ siniọ sekọndịrị tupu e nwee nzuruuwa. | Ọnụọ gụ | Miin | Ndịpụ n’Izug be | Mkpe bi |
|---|---|---|---|---|---|
| 1 | Nkwenye ndị Igbo- ekele, nsọpụrụ, ịgụ aha, | 246 | 3.41 | .66 | KE |
| 2 | Agụmagụ ọdịnaala Igbo - akụkọ ifo,ilu, egwu | 246 | 2.80 | .98 | KE |
| 3 | Ọrụ nka na ụzụ ndị Igbo | 246 | 3.20 | .75 | KE |
| 4 | Ewumewu ndị Igbo- iru mgbede, ọmụgwọ | 246 | 2.50 | 1.19 | KE |
| 5 | Usoro ọchịchị ndị Igbo | 246 | 2.70 | .46 | KE |
| 6 | Ọdịnaala agbụrụ ha | 246 | 3.49 | . 67 | KE |
| 7 | Etu ala Igbo/ebe dị | 246 | 2.69 | .94 | KE |
| 8 | Akụkọ agbụrụ/ akụkọ okike/ nsiribido | 246 | 3.31 | .81 | KE |
| 9 | Usoro ekpemekpe ọdịnaala Igbo | 246 | 3.11 | .81 | KE |
| 10 | Alụmalụ n’ala Igbo | 246 | 3.61 | .73 | KE |
| 11 | Ekike ndị Igbo | 246 | 3.70 | .64 | KE |
| 12 | Ọrụ aka ndị Igbo- ịkpa akwa, aka, jigida | 246 | 3.42 | .74 | KE |
| 13 | Amamiihe ọdịnaala Igbo | 246 | 3.59 | .88 | KE |
| 14 | Echichi ndị Igbo | 246 | 3.60 | .88 | KE |
| 15 | Usoro akụnụba ndị Igbo | 246 | 2.69 | .94 | KE |
| 16 | Nri ndị Igbo | 246 | 3.04 | .64 | KE |
| 17 | Enwemenwe ndị Igbo – ala | 246 | 2.54 | .88 | KE |

| | | | | | |
|---|---|---|---|---|---|
| 18 | Ọjị n'ala Igbo | 246 | 2.55 | .65 | KE |
| 19 | Mmemme ndị Igbo – iri ji ọhụrụ, ọfala | 246 | 2.65 | 1.04 | KE |
| 20 | Ọrụ ugbo ndị Igbo | 246 | 2.70 | .95 | KE |

## Ajụjụ Nchọcha

Ajụjụ nchọcha a duziri nchọcha a:

1. Kedu omenaala Igbo a na-akụziri ụmụ akwụkwọ siniọ sekọndịrị tupu e nwee nzuruụwa.?

## Ụmaokwu Nchọcha

Ụmaokwu nchọcha a ka onye nchọcha hibere maka nchọcha a bụ nke a nwalere n'akara ntụ 0.05.

**Ho1**. Enweghị ndịmiche pụtara ihe n'akara miin echiche ndị nkụzi nwoke na ndị nwaanyị n'omenaala Igbo a na-akụziri ụmụ akwụkwọ siniọ sekọndịrị tupu e nwee nzuruụwa.

## Ụdị Nchọcha

Ụdị nchọcha ọmụmụ a bụ usoro sovee nkọwa. Usoro sovee nkọwa dịka Nworgu (2016) si kọwaa bụ usoro e guzobere maka nnweta ihe nchọcha site n'inwe ezi nnyocha, nkọwa na mkpebi gbasara ihe omume ma ọ bụ etu ihe dị, mgbe a na-eme ya bụ nchọcha. Onye nchọcha ñomiri ụdị nchọcha a ebe ọ bụ na nchọcha a nwere mmasị n'inwe ezi nnyocha na mkpebi ịmata omenaala Igbo a na-akụziri ụmụ akwụkwọ siniọ sekọndịrị tupu e nwee nzuruụwa.

## Nchọpụta

**Tebul 1:** Miin echiche ndị nkuzi n'ịmata omenaala Igbo a na-akụziri ụmụ akwụkwọ siniọ sekọndịrị tupu e nwee nzuruụwa.

**Ndịkọ Miin: 2.89**

Tebul a gosipụtara echiche ndị nkuzi gbasara omenaala Igbo a na-akụziri ụmụ akwụkwọ siniọ sekọndịrị tupu e nwee nzuruụwa. Ihe e depụtara maka nchọcha nke mbụ a dị iri abụọ ma ha nwere akara miin ndị a 3.41, 2.80, 3.20, 2.50, 2.70, 3.49, 2.69, 3.31, 3.11, 3.61, 3.70, 3.42, 3.59, 3.60, 2.69, 3.04, 2.54, 2.55, 2.65, na 2.70 na ndịpụ n'izugbe gụnyere.66, .98, .75, 1.19, .46. 67, .94, .81, .81, .73, .64, .74, .88, .88, .94, .64, .88, .65, 1.04, na .95 na ndịkọ miin bụ 2.89 bụ nke karịrị kraịteriọn miin 2.50. Ọsịsa e nwetara n'ihe e depụtara maka ajụjụ nke mbụ gosiri na a na-akụziri ụmụ akwụkwọ siniọ sekọndịrị omenaala Igbo niile kwesiri tupu e nwee nzuruụwa. Omenaala Igbo ndị a a na-akụzi bụ nke gụnyere nkwenye ndị Igbo dịka ekele, nsọpụrụ, ịgụ aha, agụmagụ ọdịnaala Igbo dịka akụkọ ifo,ilu, egwu, ọrụ nka na ụzụ ndị Igbo, ewumewu ndị Igbo- iru mgbede, na ọmụgwọ. Omenaala ndị ọzọ a na-akụzi gụnyere usoro ọchịchị ndị Igbo, ọdịnaala agbụrụ ha, etu ala Igbo/ebe dị, akụkọ agbụrụ/ akụkọ okike/ nsiribido, usoro ekpemekpe ọdịnaala Igbo, alụmalụ n'ala Igbo, ekike ndị Igbo, ọrụ aka ndị Igbo (ikwe akwa, ịkpa àkà, jigida, ọrụ ugbo), amamiihe ọdịnaala Igbo, echichi ndị Igbo, usoro akụnụba ndị Igbo, nri ndị Igbo, enwemenwe ndị Igbo dịka ala na ọjị, mmemme ndị Igbo dịka ọfala na iri ji ọhụrụ ndị Igbo.

## Ụmaokwu Nchọcha 1

E nweghị ndịmiche n'akara miin echiche ndị nkụzi nwoke na ndị nwaanyị n' omenaala Igbo a na-akụziri ụmụ akwụkwọ siniọ sekọndịrị tupu e nwee nzuruụwa.

**Tebul 2:** Tebul nke a gosiri mkpokọ ihe e nwetara na nnwale-t (t-testi) site n' echiche ndị nkuzi nwoke na ndị nwaanyị n'

omenaala Igbo a na-akụziri ụmụ akwụkwọ siniọ sekọndịrị tupu e nwee nzuruụwa.

| **Ndị zara njụmaza** | N | Ụ | Std.D | t-kal | Df | t-kri | M |
|---|---|---|---|---|---|---|---|
| Ndị nkuzi nwoke | 84 | 2.72 | .55 | 2.9 | 357 | 0.005 | Njụ/Ajụrụ (Rijiktedi) |
| Ndị nkuzi nwaanyị | 162 | 1.60 | .43 | | | | |

Site na tebul dị n'elu, t-kakụlatedi bụ 2.9 ebe t-kritikal bụ 0.005 n' ogo nnwere onwe 357. Miin echiche ndị nkuzi nwoke na ndị nwaanyị n' omenaala Igbo a na-akụziri ụmụ akwụkwọ siniọ sekọndịrị tupu e nwee nzuruụwa bụ 2.72 na 1.60 na ndịpụ n'izugbe gụnyere .55 na .43 na akara ogo nnwere onwe bụ 357. Na nnwale na ogo nnwere onwe 357 e nwetara t-kakụletedi bụ 0.053 ebe t-kritikal bụ 2.9. Ụmaokwu nchọcha ka a jụrụ (rijiktedi) ebe ọ bụ na t-kakụletedị ka rịrị t-kritikal 2.9 P<0.005. Ihe nke a pụtara bụ na e nwere ndịmiche n'echiche ndị nkuzi nwoke na nwaanyị gbasara omenaala Igbo a na-akụziri ụmụ akwụkwọ siniọ sekọndịrị tupu e nwee nzuruụwa. E nwere ike inwe mkpebi na ndị nkụzi nwoke ka nwe kwenye na a na-akụziri ụmụ akwụkwọ siniọ sekọndịrị omenaala Igbo ndị a tupu e nwee nzuruụwa karịa ndị nkuzi nwaanyị.

## Mkparịta ụka

Ihe e nwetara site na nchọcha e mere bụ na a na-akụziri ụmụ akwụkwọ siniọ sekọndịrị omenaala Igbo niile

kwesiri tupu e nwee nzuruụwa. Ihe e nwetara na nchọcha bụ ihe a tụrụ anya. Nchọcha e mere gosiri na ndị nkụzi na-akụzi omenaala Igbo n'ụlọakwụkwọ sịnịọ sekọndịrịn nke ọma, tupu e nwee nzuruụwa. Nke a gosiri na ndị nkụzi na-esi n'omenaala Igbo ezipụtara ụmụ akwụkwọ omenaala Igbo ndị a dịka ekele, nsọpụrụ, ịgụ aha, agụmagụ ọdịnaala Igbo dịka akụkọ ifo,ilu, egwu, ọrụ nka na ụzụ ndị Igbo, ewumewu ndị Igbo na iru mgbede. Omenaala ndị ọzọ a na-akụzi gụnyere ọmụgwọ,usoro ọchịchị ndị Igbo, ọdịnaala agbụrụ ha, etu ala Igbo/ebe dị, akụkọ agbụrụ/ akụkọ okike/ nsiribido, usoro ekpemekpe ọdịnaala Igbo, alụmalụ n'ala Igbo, ekike ndị Igbo, ọrụ aka ndị Igbo dịka ịkpa akwa, aka, jigida, amamiihe ọdịnaala Igbo, echichi ndị Igbo, usoro akụnụba ndị Igbo, nri ndị Igbo, enwemenwe ndị Igbo dịka ala, ọjị n'ala Igbo, mmemme ndị Igbo dịka iri ji ọhụrụ, ọfala, na ọrụ ugbo ndị Igbo.

Ihe niile a chọpụtara na – egosi na tupu e nwee nzuruụwa na ndị nkuzi na-enye nkwado na mbunuche e ji Guzobe nkụzi omenaala Igbo n'ụlọakwụkwọ. Nchọcha a yitere nchọcha Ofodile (2017) bụ onye chọpụtara na ọ bụ site n'omenaala ka e si akụzi ihe gbasara nsiripuru, nka, nkwenye, na ụzọ ebimndụ ndị Igbo niile. Nchọcha a yitere nchọcha Udeani (2017) onye kọwara na nkụzi omenaala Igbo bụ ụzọ na-enye aka ịkwalite amamiihe ụmụ akwụkwọ na ịnata nka na ezi ntọala gbasara ebimndụ ndị Igbo maka ọ dị mma ha na nke ọha obodo. Site n'ihe a chọpụtara, o were anya na n' oge gboo, tupu enwe nzuruụwa na ezi amamiihe na ezi ntọala ebimndụ zuru oke akọghị ụmụaka Igbo na-eto eto, nke mere na ha na-ebipụta ndụ ha n'uju. Nke a bụ maka na e nweghị ihe mmeghaṛị anya nye ndị nkuzi, nke na ha na-agbado anya akụzipụta omenaala Igbo etu o si dị n'ihe ọmụmụ kọrịkulum n'ụlọakwụkwọ.

**Mmechi**

Ntọala ebimndụ ndị Igbo bụ nke nwere nnukwu ọnọdụ na ọrụ ọ na-arụ n'ebe nwata nọ. Nke a mere na ndị Igbo ji inyefe ntọala ebimndụ ndị a niile dị n'omenaala Igbo wee kpọrọ ihe, ma iji hụ na ọ dị ire mere na e guzobere agụm akwụkwọ ọdịnaala, nke na-aga n'ihu mgbe ọ bụla nakwa ebe ọ bụla. Ka o sila dị, ọ bụ ihe nwute na ndị Igbo tụmadị ndị nkuzi ejighịzi inyefe omenaala Igbo kpọrọ ihe, n'ihi nzuruụwa bụ nke mere ka ana-enomi ụzọ ebimndụ mmadụ ọzọ sitere na mba ụwa dị iche iche. Ọ bụ ihe dị oke mkpa ime ka nkuzi na ọmụmụ omenaala Igbo n'ụlọakwụkwọ sịnịọ sekọndịrị na mpaghara Ọwụwa Anyanwụ Naịjirịa, bụrụ ihe ga-adị ire ọzọ.

## Ịtụ alo

N'ihi ihe ndị a chọpụtara n'elu, onye nchọcha tụtara alo ndị a:

1. Ndị nne na nna ga-agba mbọ ịhụ na ha na-enyefe ntọala ebimndụ nd[ Igbo n'aka ụmụaka ha, bido na -ime ka ha na-asụ asụsụ Igbo tinyere ịkọrọ ha akụkọ ifo na ihe mmụta d[ n'ime ya.
2. Ndị nne na nna ga na-akpọ ụmụaka ha aga mmemme omenaala n'obodo dịka ebe a na-alụ nwaany[, echi echichi na nd[ ọzọ.
3. Ndị eze ọdịnaala obodo ọ bụla ga-ahụ na ha na-achịkọba ọgbakọ, ebe a ga-anọ wee na-akọwara ụmụaka na-eto eto ihe gbasara omenaala ha maka inyefe na nchekwaba omenaala ndị ahụ.
4. Ndị nne na nna ga na-ebindụ na-ezipụta nkwenye na omenaala Igbo.
5. Ndị obodo ga-amalite ihe gbasara egwu ọnwa iji kpọlite agụmagụ ọdịnaala ọzọ.

## Edensibịa

Abel, O. N. (2015). Effective teaching of cultural and creative arts (CCA) integrated approach. *Ọka Journal of*

*Research in Music and the Arts (AJRMA)*. Vol. 10, 74- 86.

Chike, W. (2016). Reflective practice in the civil society: The contribution of critically systemic thinking. *Reflective Practice*, 1(2), 247–268.

Ekewo, O. (2012). *Western education and the Nigerian cultural background.* Ibadan: Oxford University Press.

Eric, C. N. (2017). *Ethnicity and globalization.* Oxford: Universtiy Press.

Feder, C. T. (2014). *Third world countries and global culture.* NY: Extension press.

Iloba, J. K. (2015). Limits of globalization: *Cases and argume nts*. London: Routledge.

Nwadike, I.U. (2002). Igbo language in education: *An historical study.* Obosi: Pacific Publishers.

Nworgu, B. G. (2006). *Educational research basic issues and methodology.* Enugu: University Trust Publishers.

Obi, T. (2017). *Philosophy of education in cultural perspectives.* New York: The Dryden Press.

Obi, T. C. (2015). *Human biology and culture.* Retrieved January 6, 2018,from http://www.human/culture/Biology.

Ofodile, I. (2017). *Understanding globalization*. London: Sage Publications.

Ogoko, E. B. (2015). Globalisation, democracy, and development in Afrịka: *Challenges and Prospects*. Addis Ababa: OSSREA.

Okeke P. T. (2020). *Culture in contemporary Afrịka.* Oxford: Oxford University press.

Okonkwo, C.C (2015). The identity approach to humanity. *A Nigerian perspective.* Ọka: Mekslink Education Book Series.

Udeani, O.O. (2017) 'Globalization and the Afrịkan question in the 21st century'. *Afrịkan Journal of Economy and Society*. 2(2).

Ugbor, G. N. & Dioka, B. O. (2019). Globalisation and Culture Education: Impacts and Challenges to Igbo Cultural Group of South – East Nigeria. In B. M. Mbah, C.U. Agbedo, C. O. Okeke, et al, (Eds), *Ugo gbuzuo:* A Festschrift in Honour of Professor Gabriella I. Nwaozuzu. Nsukka: Paschal Communications.

Ugbor, G. N. (2012).'Ọnọdụ Nkuzi Agụmagụ Ederede Igbo n'Ụlọakwụkwọ Sịnịọ Sekọndịrị Na Mpaghara Ọwụwa Anyanwụ Naịjirịa'. Unpublished Ph.D Thesis, University of Nigeria Nsukka.